# M YÌNÀÀBỤ Ọ N'IME MKPỌAHA: USORO MBAWANYE MKPỤRỤOKWU IGBO

**Si N'Aka**
**Joy Eberechukwu Umeokolo**
*Department of Igbo, African and Communication Studies*
*Nnamdi Azikiwe University, Awka*
umeokolojoy1@gmail.com

**&**

**George E. Onwudiwe (Prof.)**
*Department of Igbo, African and Communication Studies*
*Nnamdi Azikiwe University, Awka*
*G.E.onwudiwe@unizik.edu.ng*

**&**

**Agbaegbuna Haroldson Uwaezuoke**
*Department of Linguistics*
*Nnamdi Azikiwe University, Awka*
*ha.uwaezuoke@unizik.edu.ng*

## Ụmịedemede

Mmebeokwu ọ bụla n'asụsụ Igbo na-agbaso usoro mbịakọta ọnụ nke mkpụrụasụsụ ole na ole, nke na-arụtụ aka n'isiokwu a bụ "M̀yìnààbụ́ọ̄ n'ime Mkpọaha: Usoro Mbawanye mkpụrụokwu Igbo". Myìnààbụọ̄ nke so n'otu n'usoro mmebeokwu Igbo na-egosipụta etu e si agba okwu nje ya bụ mgbe a na-ezipụta nghọta okwu site n'ime ka okwu ahụ niile bịa ugboro abụọ ma ọ bụ ụfọdụ n'ime okwu ahụ ịgbanwe. Nke a na-ewebatakwa mbawanye na mkpụrụokwu Igbo. Nkọwa nke a mere ka anyị mata na myìnààbụọ̄ pụtara ihe ụzọ abụọ. Ha bụ myìnààbụọ̄ mpe na myìnààbụọ̄ nzu bụ ihe anyị ga-eleba anya ya na nchọcha a. Myìnààbụọ̄ nzu bụ usoro idenwe mkpụrụokwu niile ebe myìnààbụọ̄ mpe bụ usoro idenwe ụfọdụ mkpụrụokwu, ya bụ ndenwe mkpụrụokwu nke zuru oke na nke ezughị oke. Ebumnoobi kpalitere nchọcha a bụ: ịkọwapụta myìnààbụọ̄ Mpe na Myìnààbụọ̄ Nzu, nangosipụta m̀yinààbụ́ọ̄ kemkpọaha ndị gbara nje n'ahankọwa, ahankwuwa, ụdaụda, ahaucheụda na aha - nọmba. Site na nsogbu ma ọ bụ ihe mgbawoju anya kacha pụta ihe n'ụdịdị m̀yinààbụ́ọ̄ abụọ e nwere n'asụsụ Igbo mere o jiri dị mkpa izipụta ndịiche dị na myìnààbụọ̄ mpe na myìnààbụọ̄ nzu dị ka: ojije, orire na opupu, ọpụpụ wdg. na itinye ha n'ọrụ. Nchọcha a, gosipụtara na asụsụ Igbo nwere ọtụtụ nzipụta myìnààbụọ̄. A gbadoro ụkwụ n'atụtụ "Ndokọ Mmebeokwu" nke Jackendoff hiwere n'afọ 1975 wee tụchaa ngwa nchọcha a. Atụtụ a, bụ nke e jiri wee gosipụta ebe ụdịdị myìnààbụọ̄ isii ndị a na-adị ire site n'izipụta ndịiche ha. A chọpụtara na nchọcha ndịọzọ na nke a abụghị otu ihe. O nweghịkwa nke ji atụtụ nchọcha a wee rụọọrụ. Nchọpụta a gosiri ebe myìnààbụọ̄ na-agbaso ndakọrịta ụdaume. Site na ngosipụta nchọcha a, imirikiti mmadụ agaghị enwe ihe mgbagwoju anya ọzọ n'ihe banyere izipụta myìnààbụọ̄ mpe na myìnààbụọ̄ nzu n'asụsụ Igbo. Mmezu ebumnuche ide edemede a nyere odee obi aṅụrị n'ihi na o wedewere mmụta na mpaghara a nso n'ebe ndị na-amụ ihe gbasara ụtọasụsụ nke mmebeokwu, karịsịa nke asụsụ Igbo.

**Okwu mmalite**

Na gburugburu ụwa, asụsụ bụ nnukwu ihe na ndụ mmadụ n'ihi na e wepụ asụsụ, a gaghị enwe ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọ bụ n'ihi ya ka Umeọdịnka (2020) ji kọwa asụsụ dị ka ụzọ kachasị doo anya mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta. Naanị mmadụ na-asụ asụsụ ebe ụmụ anụmanụ ndị ọzọ na-eme ụn̄ara n'ụdị dị iche iche. Asụsụ malitere oge e kere mmadụ.

N'ala Naịjịrịa, asụsụ Igbo bụ otu asụsụ nwere usoro, nwee ọtọgrafi ma nwekwaa ọtụtụ ihe ederede na ya. Na mmebeokwu Igbo, a na-enwe mbịakọta ọnụ ụdị mkpụrụokwu abụọ yiri onwe ha nke e nwere ike ịgbakwụnyere ya nganihu, yabụm̀yìnààbụ́ọ̄. A na-agbasokwa iwu ndakọrịta ụdaume mgbe a na-ezipụta ya. Myìnààbụọ bụ otu n'ime mmebeokwu Igbo e nwere nke ụdịdị ya bụ m̀yìnààbụ́ọ̄mpe na m̀yìnààbụ́ọ̄ nzu, pụtara ihe n'ime ụfọdụ nkejiasụsụ Igbo dị ka: n'ime mkpọaha (isiisi), kọlọ (edoedo), nkwuwa (ọsọọsọ). Ọzọ dị ka ibe ya bụ ọrụ myinaabụọ n'ime ụtọasụsụ dị ka: ụbara, ụcha/kọlọ, nkwuwa, wdg.

Na mmebeokwu Igbo, m̀yìnààbụ́ọ̄ ka pụta ihe n'ụdị nkejiasụsụ dị iche iche e nwere. Iji wee gosipụta ebe m̀yìnààbụ́ọ̄ ndị a na-adị ire, anyị ga-eleba anya na nkejiasụsụ ebe ha dịgasị. Nkejiasụsụ bụ nkerisi a na-ekeri mkpụrụokwu dị ka ọrụ ha na nghọta ha si dị n'ahịrịokwu. Ngalaba nkejiasụsụ iri bụ:

Mkpọaha, Nkọwaaha, Ngwaa, Mgbakwụnye, Nsokwụnye, Mbuụzọ, Njikọ, Njaike, Ntimkpu, Nkwuwa

A gbasoro usoro nkanye akaraụdaolu nke Green na Igwe (1963) n'edemede nchọcha a. Dịka ntụpụta usoro a siri dị, anaghị akanye akara ụdaelu n'okwu ndị nwere ụdaelu, naanị n'okwu ndị nwere ụdaala na ụdansụda ka a na-etinye akara ụdaolu.

**Ntụlegharị agụmagụ**

N'ebe a ka a ga-atule ihe ndị odee dị iche iche dere gbasara isiokwu a. Nke a ka a ga-eme site n'ileba anya n'ọkpụrụkpụ okwu ndị metụtara isiokwu nchọcha a dị ka: ntụlegharị ọkpụrụkpụ okwu, atụtụ nchọcha, nchọpụta e merela na nchịkọta ntulegharị agụmagụ.

**Nkọwa Ọkpụrụkpụ Okwu ndị Metụtara Isiokwu**

Ọkpụrụkpụ okwu ndị metụtara isiokwu nchọcha ndị nwanchọcha ga-eleba anya na ha bụ:ụtọasụsụ, mkpụrụasụsụ, nkejiasụsụ, mmebeokwu, mgbakwunye, m̀yinààbụ́ọ̄, m̀yinààbụ́ọ̄ mpe na m̀yinààbụ́ọ̄ nzu.

**Ụtọasụsụ**

Asụsụ ọ bụla nwere ụtọasụsụ nke e ji a mata etu kwesịrị ka e were na-asụ ma ọ bụ na-ede ya. Ọ bụ ụtọasụsụ na-eme ka ọ dị mfe ịmụ asụsụ nwekwa ike dee asụsụ n'akwụkwọ. Ọ bụ n'ụlọ akwụkwọ ka a na-amụkarị ụtọasụsụ nke mere na ọtụtụ anaghị amata na asụsụ ọ bụla nwere ya. Ọ bụ n'ụtọasụsụ ka anyị si amụta maka ụdaasụsụ, mmebeokwu, nghọta mkpụrụokwu na usoro okwu na nghọta ahịrị okwu. Ụtọasụsụ bụ iwu niile jikọrọ asụsụ nke na-eme ka mkpụrụokwu ma ọ bụ mkpụrụedemede dabaa nke ọma.

Ikekeọnwụ, Ezikeojiakụ, Ụbanị, na Ugọjị, (1999) kọwara grama ụtọasụsụ dị ka nkọwa na ọmụmụ iwu na-achị asụsụ ma metụtakwa iwu na-achị ndokọ, nkọwa, njikwa, mkpọpụta na mkpụrụokwu na ndeba ha n'ebe ha dabara n'usoro ndị nwe asụsụ ahụ ma marakwa ya nke ọma. Ha gara n'ihu depụta ọgbara atọ ha kwenyere grama nwere. Ha bụ ndị a:

- nnyocha iwu ndokọ mkpụrụokwu, nkebiokwu na ahịrịokwu bụ ya ka ọtụtụ mmadụ maara dị ka ụtọasụsụ kpọmkwem,
- nnyocha iwu mkpọpụta mkpụrụokwu, nkebiokwu na ahịrịokwu, na
- nnyocha iwu nghọta mkpụrụokwu, nkebiokwu na ahịrịokwu.

Ezema (2012) kwuru na asụsụ ọ bụla nwere ụtọasụsụ nke e ji a mata etu kwesịrị ka e were na-asụ ma ọ bụ na-ede asụsụ ahụ. O kwukwara na ọ bụ ụtọasụsụ na-eme ka ọ dị mfe ịmụ asụsụ nwekwaa ike depụta asụsụ ahụ n'akwụkwọ nke ọma. Ọ bụ n'ụtọasụsụ ka e si amụta maka ụdaasụsụ, mmebeokwu, usorookwu, nghọtaokwu, na nghọta ahịrịokwu. Ọ hụtakwara ụtọasụsụ dị ka mmewere ọdịdị ụtọasụsụ nke zuru oke iji kwukọrịta okwu n'ihe gbasara asụsụ ahụ. Ọ gara n'ihu mekwaa ka a mata na mmebeokwu na usoro okwu tinyere ihe ndị ọzọ ga-adị mkpa n'ụtọasụsụ ọ bụla dị ka ha dịkwa n'asụsụ Igbo.

**Mmebeokwu**

Ume, Ugoji na Dike (1989) kọwara na mọfọlọjị bụ ihe amụmamụ maka mkpụrụasụsụ na etu ha si ejikọ ọnụ emebe mkpụrụokwu.

Mbah na Mbah (2014) kwadokwara Ume na ndị odee ya (1989) ebe ha kwuru na mmebe okwu bụ mpaghara amụmamụ asụsụ nke na-amụ etu e si emebe okwu n'asụsụ dị iche iche. Ha rụtụrụ aka na isi sekpụ ntị na mmebeokwu bụ mkpụrụasụsụ. Ejele (1996) kọwara na mmebeokwu na-amụ gbasara etu e si emepụta mkpụrụokwu site n'ịgbaso iwu mmepụta okwu were emebe okwu. Ofọmata (1987) n'aka nke ya, kwuru na e nwere ọtụtụ okwu dị iche iche n'asụsụ Igbo. Ọ bụkwa otu ahụ ha siri dịcha iche ka mmebe ha siri dịkwa. Okwu ọ bụla e nwere n'asụsụ Igbo nwere otu e si enweta ya. Ofọmata gara n'ihu ịkọwa na a bịa n'ụtọasụsụ Igbo, e nwere mkpụrụụdasụsụ, mkpụrụasụsụ, mkpụrụokwu, nkebiokwu/ usorookwu, nkebiahịrịokwu na ahịrịokwu. N'iji ha emebe okwu n'asụsụ Igbo, ọ bụ na mkpụrụụdaasụsụ ka e si enweta mkpụrụasụsụ nke na-emebe mkpụrụokwu. E sikwa na mkpụrụokwu enweta nkebiokwu/usorookwu, na nkebiokwu ka a na-esi enweta nkebiahịrịokwu, ebe ahịrịokwu n'onwe ya na-esizi na nkebiahịrịokwu apụta.

Anagbogụ, Mbah, na Eme, (2010) kwuru na mọfọlọjị bụ ọkwa ụtọasụsu nke na-amụ etu mọfim si ahazi onwe ha n'asụsụ iji mebe okwu. Nkọwa ndị a niile mere ka a chọpụta na mọfọlọjị bụ mmebeokwu nke Ewelukwa na Okafor (2015) tụpụtara mgbe ha malitere ịkọwa usoro e si emebe okwu bụ mọfọlọjị site n'izipụta mkpụrụedemede nke ghọrọ mkpụrụụdaasụsụ ma ọ nọrọ n'ime mkpụrụokwu. O kwuru na ọ bụ site na mkpụrụụdaasụsụ ka e si emepụta mkpụrụasụsụ (mọfịm).

**Mkpụrụasụsụ**

Mgbe ọ bụla a na-ekwu maka mkpụrụasụsụ bụ mọfịm n'aha Bekee, ọ bụ irighiri okwu pekarịsịrị mpe nwere nghọta ka a na-ekwu maka ya. Ume na ndị otu odee ya (1989) kwuru na mọfịm n'onwe ya bụ irighiri okwu kachasị ntakịrị ma nwee nghọta n'asụsụ ọ bụla. Ọ bụ nke a kpatara na sayensi asụsụ, ọ bụ mkpụrụasụsụ ka a na-elekwasị anya n'ọdịdị ụtọasụsụ. Anaghị elekwasị anya na mkpụrụokwu maka na: otu mkpụrụokwu nwere ike nwekarịa otu mofịm n'ime ya. Ọ rara ahụ ịkọwa dị ka anyị kọwara maka mọfim ihe mkpụrụokwu pụtara. Ihe gbasara ihe bụ mkpụrụokwu gbadoro ụkwụ na nkwekọrịta ndị nwe asụsụ ahụ ọ bụrụ na anyị edee "onye nkuzi" dị ka otu mkpụrụokwu site n'idekọta ya ọnụ ọ bụrụ otu mkpụrụokwu, ma anyị dee ya iche iche ọ bụrụ mkpụrụokwu abụọ, "ụlọ akwụkwọ" otu aka ahụ. Mkpụrụasụsụ ọ bụla na-abụ mkpụrụokwu e nwere ike gaa na nkọwaokwu chọpụta mpụtara ya. O nwekwara ike ibụ otu nkejiokwu. Ndịemele (1999) kọwara mkpụrụasụsụ dị ka okwu pekarịsịrị mpe n'usorookwu. Ọ gbatịrị nkọwa ya dị ka okwu pekarịsịrị mpe nke nwere nghọta nke nwekwara ike ịkwụrụ onwe ya. Mkpụrụasụsụ na-enwe ebe ndabe. Ọ bụghị mkpụrụasụsụ niile nwere ike ịnọrọ onwe ya oge niile. Anaghịkwa ekeri ya karịa ka ọ dị maka ọ ga-eme ka nghọta ya pụọ.

E kere mọfịm ụzọ abụọ: Mkpụrụasụsụ nnọrọonwe na mkpụrụasụsụ ndabe.

Ikekeọnwụ na ndị otu odee ya (1999) kwuru na mkpụrụasụsụ nnọrọọnwe bụ “ndị ahụ nwere ike ịkwụrụ onwe ha n’ebughị mgbakwụnye ọ bụla. A na-ahụ ha na nkọwaokwu dị ka isi mkpụrụokwu. Ọ bụkwa n’okpuru ha ka a na-enweta mkpụrụasụsụ ndabe. Ha zuru oke dị ka mkpụrụokwu ma nwekwaa mpụtara nke onwe ha. Ha adịghị adabere na mkpụrụokwu ọzọ ma n’odide ma na nghọta ebe mkpụrụasụsụ ndabe bụ irighiri okwu ndị ahụ n’adịghị akwụrụ onwe ha ma na mpụtara ma n’odide. A na-edekọ ha na nke nnọrọọnwe ma ọ bụrụ na enwe nganiihu ‘o’, ‘ọ’ ‘i’, ‘ị’, wdg.

Ewelukwa na Okafor (2008) nyere nkọwa nke ha na mọfịm bụ ụmụ irighiri okwu e sitere na mkpụrụụdaasụsụ wee mmepụta. Ọ bụ mkpụrụụdaasụsụ abụọ ma ọ bụ karịa e jikọtara ọnụ na-emebe mkpụrụasụsụ. Ha gara n’ihu ịkọwapụtakwa na mkpụrụasụsụ ma ọ bụ mọfịm bụkwa ụmụ irighiri mkpụrụokwu dịkarịsịrị ntakịrị ma ọ bụ pekarịsịrị mpe nke n’enweghị ike ikewa ọzọ ma ha nwekwara nghọta nke aka ha. Ha gbasoro usoro ọmụmaatụ dị ka: chi, ji, si, ka, je wdg bụ otu n’ime mọfịm nnọrọọnwe. Ọzọ, ha gakwara n’ihu izipụta nkenụụdị ha dị ka: nganiihu, nnọneetiti na nsonaazụ. Ọ bụ n’ime nganiihu a ka o zipụtara otu n’ime m̀yinàabụ́ọ̄ ebe ahụ bụ ‘jerọndu’. Ọmụmatụ:

i. o + ji + je = ojije

ii. o + ri + re = orire

iii. ọ + kụ + kụ = ọkụkụ

N’ebe a, nkọwa ya gosipụta ụdịdị m̀yinàabụ́ọ̄ abụọ e jiri mee nchọcha a. Ha bụ m̀yinàabụ́ọ̄ mpe na nke nzu ojije na orire bụ m̀yinàabụ́ọ̄ mpe ebe ọkụkụ na ọrụrụ bụ m̀yinàabụ́ọ̄ nzu.

**Mgbakwụnye**

Mgbakwụnye dị ka aha ya siri dị, bụ otu n’ime ngalaba nkejiasụsụ Igbo e nwere nke a na-agbakwụnye n’isingwaa ma ọ bụ mkpọaha iji mepụta mkpụrụokwu. Ume, Ugoji na Dike (1989) na nkọwa nke ha kwuru na mkpụrụasụsụ ndabe niile bụ mgbakwụnye. Na nkọwa ha, ha mere ka a mata na a na-agbakwụnye nke a n’ihu okwu ọzọ nke nwere ike ịbụ naanị otu mgbochiume ma ọ bụ myiriụdaume ma ọ bụ udaume. O nwekwara ike bụrụ otu nkejiokwu ma ọ bụ karịa. E sikwa na ha enweta okwu ọhụrụ nke dabara n’òtù abụọ: nganihu nsirinweta na nganihu mgbanwe. Nke a na-agbakwụnye n’ebe ọ bụla n’abụghị ihu, etiti ma ọ bụ azụ, okwu ahụ ka ha kpọrọ nnọnime. Nke a nwere ike ịbụ naanị otu mgbochiume, myiriụdaume ma ọ bụ ụdaume dị ka asụsụ siri dị. Nke na-adị n’etiti okwu ọ bụla ọ dị na ya ka ha kpọrọ nnọnetiti. Ha kọwara na ọ bụ e kee okwu ọ dị na ya ụzọ abụọ ha nhatanha, a ga-ahụ ya n’etiti okwu ahụ. Ọ dịkwa ka mgbakwụnye ndị ọzọ n’ụdịdị ha site n’ịbụ otu mgbochiume, myiriụdaume ma ọ bụ ụdaume, ma ọ bụkwanụ otu nkejiokwu ma ọ bụ karịa. Ọmụmaatụ:

i. Ndakọrịta isingwaa ụdaume nganihu o / ọ

(a) -ri : oriri

(b) -tụ : ọtụtụ

Ndakọrịta mmee myiriụdaume (m, n)

(a) ji : nji

(b) bu : mbu

N'ọmụmaatụ nke (i), anyị ga-ahụ na o gosipụtara m̀yinààbụ́ọ̄ kenzu na kempe. Site n'ileba anya na mkpụrụokwu na nkejiokwu dị ya, otu mọfim nwere ike ịbụ otu ụdaume dị ka: ọ – jọ – ọ, otu Myiriụdaume – n-ji-n, du-m, otu Mgbochiume – a-gụ-m-a-gụ, e-ri-m-e-ri, otu nkejiokwu – di, ji, m-pụ-ta, m-ba-ta nkejiokwu atọ wdg.

Ewelukwa na Okafor (2008) gara n'ihu izipụta ebe m̀yinààbụ́ọ̄ na-adị ire n'ime nganiihu dị ka nganiihu na jerọndụ. Jerọndụ ka ọ kọwara dị ka mkpụrụokwu e ji nganiihu "O/Ọ" were emebe. A na-agbakwụnye ya n'isingwaa abụọ iji mepụta jerọndụ. Ịmaatụ:ojije, orire, ọn̄ụn̄ụ,ọrụrụ wdg.

N'ịga n'ihu, Ibeh (2003) kwenyeere Emenanjọ (1978) na Ewelukwa na Okafor (2008) ebe Ngoesi (2000) mere ka a ghọta na ọ bụ n'ime nkejiasụsụ ka mgbakwụnye dị n'ebe ahụ ka e mepụtara jerọndụ na okwu ndị ọzọ so n'ọrụ m̀yinààbụ́ọ̄ na-arụ na mmebeokwu Igbo.

**Nkejiasụsụ**

E nwere ọtụtụ asụsụ n'ụwa dị ka Bekee, Jaman, French, na asụsụ Naịjirịa dị iche iche. Asụsụ ọ bụla dị n'ụwa nwere ụzọ na ụdị e si ekeji ya. Ọ bụ nkeji a ka e ji a mata ọrụ mkpụrụokwu ọ bụla na-arụ n'asụsụ ọ bụla. Ngoesi (2000) gara n'ihu ịkọwa na nkejiasụsụ bụ ọrụ mkpụrụokwu na-arụ dị ka ọnọdụ, ụda na nghọta ya si dị n'ahịrịokwu ebe ọ dị. Asụsụ ọ bụla nwekwara nkeji nke ya, nke a pụtara na nkejiasụsụ bụ nkeri a na-ekeri mkpụrụokwu dị ka ọrụ ha na nghọta ha si dị n'ahịrịokwu (Ewelukwa na Okafor 2008).

Onuora (2000) na nkọwa nkejiasụsụ kwụrụ na ọtụtụ nkejiasụsụ Igbo bụ ndị e nwere ike ịkpọ nkejiasụsụ ukwu. N'ime nkejiasụsụ ukwu ka e si nweta ndị e nwere ike ịkpọ nkejiasụsụ nta. Ịmaatụ: - mkpọaha bụ nkejiasụsụ ukwu ebe ahaaka, ahaizugbe, ahauche na aha ndị ọzọ bụ nkejiasụsụ nta. Otu a ka ọ dịkwa na nkọwaaha, ngwaa wdg. Uba-Mgbemena (2009) gosipụtara nkejiasụsụ dị ka (otu mkpụrụokwu), asụsụ ọ bụla nwere ọtụtụ mkpụrụokwu e ji asụ nà ná-ède ya. Nke ọ bụla na mkpụrụokwu ndị a nwere ụzọ pụrụ iche e si eji ya asụ asụsụ, ya bụ, mkpụrụokwu ọ bụla dị n'asụsụ nwere kà ó si arụ ọrụ n'asụsụ ahụ.

Na nchọcha a, a chọpụtara na ọtụtụ ndị odee dere na nkejiasụsụ zipụtara nkenụụdị dị iche iche. Ụfọdụ gosipụtara na nkejiasụsụ nke ha dị asatọ, iteghete, iri, iri na atọ. Odee dị ka Osuagwu na ndị ọzọ (2002), Ngoesi (2004) na Ewelukwa na Okafor (2015), gosipụtara na nkejiasụsụ dị iri, Emenanjọ na ndị otu odee ya gosipụtara na nkejiasụsụ dị isii, Agu-Ofodile (2010) gosipụtara na ọ dị iteghete, Nze na Imo zipụtara nkejiasụsụ ha ụzọ iri na atọ wdg. Mana n'ime ihe niile ndị a, naanị ebe n'ọrụ m̀yinààbụ́ọ̄ na-apụta ihe bụ na ndị a: mkpọaha, nkwuwa, nkọwaha, ahansinaụda, ngwaa a gbakwụnyere nganiihu, mbuụzọ na jerọndụ.

**M̀yinààbụ́ọ̄**

M̀yinààbụ́ọ̄ bụ usoro mmebeokwu nke otu ma ọ bụ ụfọdụ okwu na-adị ugboro ugboro ma ọ bụ agba nje. N'ọtụtụ asụsụ, a na-ewebatakarị okwu m̀yinààbụ́ọ̄ na mgbanwe iji wepụta ọrụ ụtọasụsụ

na-arụ n'ime mpụtara okwu iji mepụta ọrụ ọ na-arụ na nghọtaokwu. *Oxford Biliographies* (2017) kọwara na m̀yinààbụ́ọ̄ bụ usoro nhazi okwu nke a na-egosipụta ihe ọ pụtara site n'ikwunwe ihe niile ma ọ bụ ụfọdụ okwu. Ọmụmụ nke myìnààbụọ a, ewepụtala mmasị dị ukwu n'ihe gbasara ịghọta ọtụtụ ihe e jikọtara n'usoro mmebeokwu. A bia n'ọnọdụ ya n'ime mọfọlọji, e kere ya ụzọ abụọ dị ka ụdịdị ya na mpụtara ya. N'ihe gbasara ụdịdị ya, a na-eji okwu a bụ "ụbara", n'ebe "isiokwu ahụ dabeere" were gbaa okwu nje ma ọ bụ kwughachi ya. Ọ gakwara n'ihu ịkọwa na e nwere isiokwu atọ gbasara m̀yinààbụ́ọ̄ nke ụdịdị ya pụtara ihe n'ime atụtụ ndokọ mmebeokwu nke gbadoro ụkwụ n'ihe ndị a: mmetụta njirimara nke ngalaba n'etiti ịgba nje isingwaa na idenwe ya, ọnọdụ ya na ihe ndị a ga-atụle n'ịchọpụta isi ndenwe nke okwu akpụ n'ọnụ (isingwaa). Akụkụ pụtara ìhè nke m̀yinààbụ́ọ̄- nke a na-egosi ndenwe ụfọdụ okwu ewepụtala ọtụtụ usoro dị iche iche iji kọwaa otú idenwe ya si aga. N'ihi na e nweela ọtụtụ ihe ndị ọzọ dị n'asụsụ ndị butere okwu ịgba nje, e meela ka e nwee nchọcha na ọ bụ okwu niile gbara nje bụ m̀yinààbụ́ọ̄ ka ọ bụ na ọ bụghị. A bịa n'ihe gbasara ihe ọ pụtara ma ọ bụ mpụtara ya, ọtụtụ okwu nke m̀yinààbụ́ọ̄, na-emetụtakarị aka "n'ụbara" na "ndenwe okwu." Nke a emeela ka e nwee nchọcha gbasara ndịiche dị n'etiti ụdịdị m̀yinààbụ́ọ̄ na mpụtara ya n'asụsụ.

Nkọwa nke wikipedia gara n'ihu igosipụta ọrụ mmụba okwu site n'izipụta ọnụọgụ, ụbara na ngwaa a gbakwụnyere nganiihu. Nkọwa a gosipụtakwara ụdịdị m̀yinààbụ́ọ̄ e nwere dị ka: m̀yinààbụ́ọ̄ keụdaụda, myìnààbụọ kenzu, m̀yinààbụ́ọ̄ kejerọndu. Bobda (1994) chọpụtara ụdịrị okwu atọ ndị gbasoro usoro m̀yinààbụ́ọ̄ dị ka: ọnụọgụgụ, nkọwaaha na mkpokọta. McCarthy (1998) kọwakwara na m̀yinààbụ́ọ̄ bụ ihe dị mkpa n'ọmụmụ asụsụ, dị ka okwu abụọ ịgba nje.

Nadarajan (2007) hụtara m̀yinààbụ́ọ̄ dị ka usoro mmebeokwu nke a na-emegharị akụkụ ụfọdụ nke isiokwu (nkejiokwu, mọfịm, ngwaa 'ri/rụ') a gbakwụnyere n'aka ekpe ma ọ bụ n'aka nri nke okwu ahụ ma ọ bụ mgbe ụfọdụ n'ime etiti okwu ahụ. Ọ bụ ezie na okwu abụọ na-agba nje mana ọ bụghị n'okwu niile ọ gbara nje ka ọ na-ezipụta m̀yinààbụ́ọ̄. Oge ụfọdụ, a na-atụgwarị ya na nke nkwunwe ha abụọ abụchaghị otu ihe. Ịmaatụ: yọrịyọrị, warawara, orire, ọrụrụ, omume wdg.

Nkọwa Arokoyo (2020) nke a mere ka a mata na a na-agbakwụnye isingwaa dị ka 'ri' n'ihu ma ọ bụ n'azụ isingwaa ọzọ bụkwa 'ri' dị ka 'oriri', 'ọnyụnyụ', ọzọ n'isiokwu ahụ niile nwekwara ike gbaa nje dị ka na 'ọsọọsọ', 'ngwangwa' wdg.

N'ikpeazụ, Adeniyi na Iyere (2010) kwuru na m̀yinààbụ́ọ̄ mpe na m̀yinààbụ́ọ̄ nzu bụ mkpokọta otuokwu ụzọ abụọ dị ka 'goddy-goddy','ihe ụtọụtọ' ma ọ bụ nke nwere obere ndagharị dị ka 'wishy-washy'. Ha kwuru na ọ bụ n'ihi nke a ka e ji kewa m̀yinààbụ́ọ̄ ụzọ abụọ dị ka: m̀yinààbụ́ọ̄ mpe na m̀yinààbụ́ọ̄ nzu.

**M̀yinààbụ́ọ̄ nzu na M̀yinààbụ́ọ̄ mpe**

Na nkọwa m̀yinààbụ́ọ̄ nzu na nke mpe, Pei (1996) kọwapụtara ha site na nkọwa m̀yinààbụ́ọ̄ n'onwe ya. M̀yinààbụ́ọ̄ mpe na nke nzu bụ ụzọ zuru oke na nke ezughị oke nke usoro mmebeokwu site n'idenwe isingwaa; usoro okwu ịgba nje site na nzipụta nke ahaụdaụda dị ka: patapata, gidigidi,

dumdum, wdg. Nke a na-apụta ihe ma ọ bụrụ na ụfọdụ okwu ma ọ bụ okwu ahụ niile, ma ọ bụkwa na nkebiokwu gbara nje.

Arokoyo (2020) gara n'ihu ịkọwa na m̀yinààbụ́ọ̄ nzu, na-emetụtakarị aka n'idenwe okwu niile ugboro ugboro iji mepụta okwu ọhụrụ. N'otu aka ahụkwa, o gosipụtara na m̀yinààbụ́ọ̄ na-adịkarị ire n'usoro mmebeokwu n'asụsụ Yoruba. Ịmaatụ:

**Tebul 1: M̀yinààbụ́ọ̄ Nzu n'asụsụ Yoruba**

| | | | |
|---|---|---|---|
| i. | pana + pana = panapana | kill fire + kill fire = fire fighter | mmenyụ ọkụ + mmenyụ ọkụ = Onye mmenyụ okụ |
| ii. | gbọmọ + gbomo = gbọmọgbọmọ | carry child + carry child = carry kidnapper | kuru nwa + kuru nwa = onye ori nwa |
| iii. | gbálè + gbálè = gbálègbálè | sweep ground + sweep ground = cleaner | Zachaa ụlọ + zacha ụlọ = onye nzacha ụlọ. |

Na nkọwa kempe, Arokoyo (2020) kọwara na o metụtara ndenwe ụfọdụ okwu. E nwere ike idegharị akụkụ okwu ụfọdụ site n'ịgbakwunye ha n'ihu ma ọ bụ n'azụ isingwaa. O kwuru na a bịa n'asụsụ Yoruba, e nwere ike ịgbakwụnye otu mkpụrụ mgbochiume n'ihu ụdaume (i) ebe asụsụ ha anaghị anabata mbịakọta ọnụ mgbochiume abụọ n'otu mkpụrụokwu. Ịmaatụ

**Tebul2: M̀yinààbụ́ọ̄ Mpe n'asụsụ Yoruba**

| | Yoruba | Igbo | Bekee | Yoruba | Igbo | Bekee |
|---|---|---|---|---|---|---|
| i. | Tà | Re | to sell | Títà | Orírè | Selling |
| ii. | lò | Me | to use | Lílò | Omume | Using |
| iii. | rà | Go | to buy | Rírà | Ogigo | Buying |
| iv. | Gbà | We | to take | gbígbà | Owuwe | Taking |

Bolanle na nkọwa ya, sị na asụsụ Igbo na-ezipụta m̀yinààbúọ̄ nzu n'ime ndabe nke nkwuwa n'ime nkọwaha. Ịmaatụ:

**Tebul3: M̀yinààbúọ̄ Mpe n'olu Hausa**

| | Hausa | Igbo | Bekee | Hausa | Igbo | Bekee |
|---|---|---|---|---|---|---|
| i. | ŏkwó | nnukwu nna | grand | oyíkwó òyìkwò | nna nna | forefathers' |
| ii. | ògbé | oge niile | always | ògbé ngbè | mgbe mgbe | all the time |
| iii. | ògbẹkwú | Ụba | (ideophonic) | ògbẹkwú gbẹkwú | ịba ụba | greatness/wealth |
| iv. | pío | Ọsọ | fast/ọuick | òpíó-pio | ọsọọsọ | very quickly |
| V | gbé | ebighị ebi | Ever | ògbé-gbé-ílè | ebighi ebi | forever and ever |

**Tebul4: M̀yinààbúọ̄ Nzu n'olu Hausa**

| | Hausa | Igbo | Bekee | Hausa | Igbo | Bekee |
|---|---|---|---|---|---|---|
| i. | úná | ọkụ | Hot | úná uná | ọkụọkụ | very hot |
| ii. | úwó | Ugwu | hill | úwó úwó | ugwu ugwu | Hills |
| iii. | ájí | Mmiri | river | ájí áji | Osimiri | Rivers |
| iv. | ójójí | dịiche | different | ójójí ojòjì | iche iche | Differently |
| V | ùnájú | ọsọ | hurry | ùnájú-únájú | ọsọọsọ | hurry-hurry |

Nadarajan (2006) na nkọwa ya na m̀yinààbúọ̄ mpe na m̀yinààbúọ̄ nke nzu kwuru na m̀yinààbúọ̄ nzu site ikwu na o metụtara ndenwe nke otu ụdị okwu ma ọ bụ otu ụdị ụda mkpụrụokwu. Lee ọmụmaatụ ha n'asụsụ dị iche iche na nkọwa ya n'asụsụ Igbo. Ịmaatụ:

**Tamil**

i. (avar) (avar-avar) (avar-avar valkai)

he/himself he (to) himself he to his own life

ya/ ya onwe ya ya (rue) ya onwe ya ya ruo na ndụ ya

N’asụsụ ndị Malay, aha na-ewere ọnọdụ ụbara ebe ngwaa na-ewere ọnọdụ nkebiokwu kenkwuwa na m̀yinààbụ́ọ̄ nzu.

**Tebul5: Malay**

| | | | |
|---|---|---|---|
| (murid) | (murid-murid) | (Dia murid sekolah rendah) | (Mereka murid-murid sekolah) |
| Pupil | Pupils | S/He is a primary school pupil | They are primary school pupils |
| ụmụaka | ụmụaka ga | O/Ọ bụ ụmụaka prịma | ha bụ ụmụaka ndị prịma |

Ọ gara n’ihu ịkọwa na m̀yinààbụ́ọ̄ mpe metụtakwara aka na ndenwe ụdaume ma ọ bụ nke mgbochiume. Na nkọwa a, o gosipụtara ụdị m̀yinààbụ́ọ̄ atọ. Ha bụ:

- ndenwe okwu ndị nwere otu ụda dị ka: dumdum, gidigidi, kitikiti
- ndenwe ụdaume dị ka: ojije ọlịla, oriri ọrụrụ, ọmụmụ ọnwụnwụ
- ndenwe okwu mmalite dị ka: ịka ụka, ịrụ arụ, ịsa asa.

**Atụtụ Ndokọ Mmebeokwu**

Atụtụ Ndokọ Mmebeokwu bụ atụtụ gbadoro ụkwụ na nhazi okwu. N’atụtụ a, a na-ahazi ọtụtụ okwu site n’ọnọdụ ha, ụdịdị na mpụtara ha. Ọzọ, atụtụ a na-egosi mmekọrịta dị n'etiti usorookwu, mwubeokwu na ọkọwa okwu. O lebakwara anya na nghọta ọkpụrụkpụ okwu. Ọ na-ewepụta usoro, ndịiche na nkọwaokwu nke a gbasoro ezigbo usoro wee mebe. Ọ bụ Jackendoff hiwere atụtụ a n'afọ 1975. Ihe gbasara atụtụ ndokọ mmebeokwu a eteela aka ọ dị. E nweela ọtụtụ ndị derela ihe gbasara atụtụ a; dị ka Booji (2017)

E nwere ụzọ abụọ e si agbaso usoro mmebeokwu ndị a. N'usoro mmebe mkpụrụasụsụ, nke a na-ahụkarị n’akwụkwọ *Post-Bloomfieldian American Linguistics,* a na-ahụ okwu dị mgbagwoju anya. N'ebe a, ntụcha mmebeokwu na-akọwa maka usorookwu nke mmebeokwu. Ịmaatụ: 'erila' n'asụsụ Igbo bụ nke a na-agbakwụnye n'isingwaa dabara n’asụsụ ka o wee kwe nghọta. Ọzọ n'asụsụ Bekee ndịnaazụ okwu "walked", "walk" dị ka ngwaa a gbakwụnyere"-ed" nsonaazụ nke mebere ya bụ okwu "walked". Ọzọ, a na-emebe mkpụrụokwu site n’ịgbakwụnyere mkpụrụasụsụ ma ọ bụ ngwaa nganihu ma ọ bụ nsonazụ iji mee ka okwu ahụ gbanwee ma ọ bụ gbatịa echichi na mpụtara ya.

Atụtụ ndokọ mmebeokwu a, na-akọwa na ụmụ irighiri okwu, mebere okwugasị ga-adịrịrị n'ime mkpụrụokwu asụsụ ndị ahụ nwere n'usoro. Atụtụ a gara n'ihu ikwu na ndị na-amụ asụsụ mmebe okwu nwere ebe ndị ha na-ahụta dị ka ebe siri ike ma ọ bụ ihe mgbagwoju anya. Ọzọ, atụtụ a na-echepụta n’ụzọ ndabere okwu, nhazi, ụdịdị ndabere siri ike na mmekọrịta dị n'etiti okwu ndị ahụ. N’akwụkwọ ọkọwa okwu,ma mkpụrụokwu ma atụmatụ nhazi nke ha dị ka ngwa ngwa, ọsọ ọsọ wdg. A na-ahazi okwu n'usoro, ya na ọkwa ma ọ bụ ọnọdụ okwu na nkeji na nkeji. Atụmatụ a nwere ọrụ ha na-arụ nke na-akọwa ọkpụrụkpụ okwu ndị dị mgbagwoju anya ma kọwaa ka e si emepụta mkpụrụokwu mgbagwoju anya ọhụrụ.

Ụdị mmebeokwu a ekwetaghị n'usoro Langajer (1987). Echiche a, anabataghị ọmụmụ lingwistiks nke e si n'iwu gbasoo ma ọ bụ nke e depụtara ma e wezuga ihe iwu lingwistiks jikọtara ya na iwu ọzọ n'otu oge.

Ịmaatụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| Bekee: 1a | bald | b. | baldness |
| | big | | bigness |
| | black | | blackness |

A bịa n'ọmụmaatụ (1a) na (1b), a ga-ahụ na e nwere mgbanwe ma ọ bụ mgbatị na mkpụrụokwu abụọ ndị a dị ka e webata nsonazụ "-ness" n'okwu ndị (1a) niile iji gbatịa mkpụrụokwu ndị ahụ. N'ebe a, ọ bụghị na nghọta mpụtara ha gbanwere kama ọ gbatikwuru.

Atụtụ ndokọ mmebeokwu a, bụ atụtụ nke nhazi okwu nke na-edokọ mkpụrụokwu nwere ngwaa abụọ ma ọ bụ karịa n'usoro iji zipụta nghọta zuru oke nakwa etu e si emepụta okwu ọhụrụ. Ọ na-enyocha mmakọ ndị a n'ime echiche nke ụtọasụsụ ya bụ ụzọ ma ọ bụ usoro e si ekpokọta ụzọ mkpụrụokwu atọ ọnụ n'ezigbo usoro iji mebe okwu. Nke a site na nkọwa e nyere, a ga-ahụ na atụtụ a baara nchọcha a uru iji zipụta ọrụ m̀yìnààbụ́ọ̄ na-arụ n'ime ahịrịokwu. Iji maa atụ dị ka ọ dị n'akwụkwọ Ewelukwa na Okafọ (2008:167)nganiihu na jerọndụ ịkọwapụta ụzọ a ga-esi webata okwu m̀yinààbụ́ọ̄ bụ okwu ịgba nje n'ime ahịrịokwu.

Lee Ọmụmaatụ ha:

i. Ojije: Ọ na-eme ya ojije ojije

ii. Odide: Ihe niile ha mere taa bụ sọ odide odide

iii. Ọnyụnyụ: Nri o riri na-eme ya ọnyụnyụ ọnyụnyụ

Mpụtara echiche a, gbasara usoro mebeokwu bụ na e nweghị ezigbo okere dị nkọ n'etiti ọkọwa okwu na ụtọasụsụ. Ọkọwa okwu gụnyere ma nkọwa ihe okwu nyere ma mmebeokwu n'usoro dị ka ihe ọmụmaatụ.

**Ntụcha nchọcha**

Na mpaghara a, anyị ga-egosipụta ọkpụrụkpụ isiokwu nkọwa ndị a: M̀yinààbụ́ọ̄ kempe na M̀yìnààbụ́ọ̄ kenzu, usoro ebe m̀yinààbụ́ọ̄ ndị ahụ pụtara ihe dị ka na mkpọaha, ahaucheụda, ngwaa a gbakwụnyere nganiihu, nkwuwa, mbuụzọ, jerọndụ, na ndịiche dị na m̀yinààbụ́ọ̄ mpe na nke nzu.

**M̀yìnààbụ́ọ̄ Mpe**

M̀yìnààbụ́ọ̄ kempe bụ ndenwe ma ọ bụ ndeghari ụfọdụ okwu bụ nke a na-edeghari akụkụ okwu ụfọdụ site n'ịgbakwunye ha n'ihu ma ọ bụ n'azụ isingwaa. Ọ bụkwa ụzọ nke ezughị oke nke usoro mmebeokwu site n'idenwe isingwaa. N'ebe a, m̀yìnààbụ́ọ̄ kempe na-arụ ọrụ n'ime nganiihu na nsonaazụ nke metụtakwara aka na ndeghari ụdaume ma ọ bụ nke mgbochiume. Ọmụmaatụ.

i. ịka ụka
ii. ịrụ arụ

iii. ịsa ụsa
iv. ịka nka
v. ide nde
vi. ịrọ nrọ.ojije
vii. ọtịta
viii. ọdịda
ix. onwunwe.

N'ọmụmaatụndị a, a ga-ahụta na ọ bụ ndeghari nganiihu ụdaume. Ọ bụghị okwu niile ka a gbara nje naanị nganiihu ụdaume 'ị' gbanwere bụrụkwa nganiihu ụdaume 'ụ', 'ị' na 'n'.

| Nganiihu | Isingwaa | Isingwaa | Jerọndụ |
|---|---|---|---|
| ò | ji | je | òjije |
| ọ̀ | tị | ta | ọ̀tịta |
| ò | nwu | nwe | ọ̀zịza |

Ọmụmaatụ a, zipụtara ndeghari isingwa 'ji' ka ọ bụrụ 'je', 'tị' ka ọ bụrụ 'ta' 'nwu' ka ọ bụrụ 'nwe'.

Ọmụmaatụ a mere ka anyị mata na m̀yìnààbụ́ọ̄ kempe a zipụtara echiche ndị a n'ụzọ jerọndụ nke gbasoro iwu ndakọrịta ụdaume.

**M̀yìnààbụ́ọ̄ Nzu**

M̀yìnààbụ́ọ̄ kenzu bụ m̀yinààbụ́ọ̄ na-agwa anyị etu e si edenwe otu mkpụrụokwu ma ọ bụ n'idenwe okwu niile ugboro ugboro iji mepụta okwu ọhụrụ ọzọ dị ka ibe ya bụ usoro okwu ịgba nje. Ọmụmaatụ;

i. Obi bere okwu ya <u>nke nke</u>.

ii. <u>Nwayọ nwayọ</u> ka ejula ji aga n'ogwu.

iii. Uju na-ekwu okwu <u>ọkụ ọkụ</u>.

N'ọmụmaatụ a, a hụtara okwu ndị a 'nke nke, nwayọ nwayọ, na ọkụ ọkụ' ka m̀yinààbụ́ọ̄ ndenwe.

E lee anya n'ọmụmaatụ ndị a, a ga-ahụ na ọ bụrụ na e denwoghị okwu m̀yinààbụ́ọ̄ ndị ahụ nghọta ha agaghị edocha anya dị ka: 'Obi bere okwu ya <u>nke</u>, Uju na-ekwu okwu <u>ọkụ</u>.' wdg.

**Ebe m̀yinààbụ́ọ̄ na-adị ire n'ime mkpọaha**

N'ebe a ka a ga-ezipụta usoro m̀yinààbụ́ọ̄ si abawanye n'asụsụ Igbo site n'ịgba nje otu okwu dị ka ha pụtara ihe.

**M̀yìnààbụ́ọ̄ kemkpọaha n'asụsụ Igbo**

Ngosipụta m̀yinààbụ́ọ̄ kemkpọaha ndị gbara nje n'ahankọwa, ahankwuwa, ụdụụda, ahaucheụda na aha - nọmba.

Ahankọwa: N'ime ahankọwa a dị ka ngosipụta otu ihe dị, m̀yinààbụ́ọ̄ pụtara ihe site n'ịgba ahankọwa ndị ahụ nje. Ịmaatụ:

i. Nwoke dị mkpụmkpụ.

ii. Nwata ahụ dị giligili.

iii. Nwoke ahụ dị ntinti.

Nkwuwa: M̀yinààbụ́ọ̄ pụtara ihe n'ime nkwuwa site n'ikwuwa aha ahụ ugboro abụọ iji zipụta ebunuche onye. Ịmaatụ:

i. E mee osọọsọ e meghara ọdachi.

ii. Ọ na-ekwu nwayọ nwayọ.

iii. Ọ gbawara ozigbo ozigbo.

Ahaụdaụda: Ahaụdaụda dị ka aha e ji ezipụta ụda a na-anụ nke ihe a na-ekwu maka ya na-ada, zipụtara okwu m̀yinààbụ́ọ̄ n'ime ya dị ka mgbe a na-agba okwu ndị ahụ nje. Aha ọzọ a na-akpọ ya bụ njiụdamara ma ọ bụ ụdaụda. Ịmaatụ:

i. Ebe a niile na-ada dumdum.

ii. Ụgbọala ahụ na-egbu piipii.

iii. Mmiri na-ezo patapata.

Ahaucheụda: M̀yìnààbụ́ọ̄ pụtara ihe n'ime ahaucheụda mgbe ọ gbara okwu ndị a: poko, puri, gwuga, mụrụ, wara, nje n'ime ahịrịokwu ndị ahụ. Ịmaatụ:

i. Akwụkwọ nri ahụ na-ama pokopoko.

ii. Ahụ m na-akwọ mụrụmụrụ.

iii. Puripuri oroma ahụ na-eme gosiri na o mebiwela

Ụbara: M̀yìnààbụ́ọ̄ pụtara ihe n'ime ụbara site n'ide ugboro ugboro mkpụrụokwu ndị ahụ na-ezipụta na ihe a na-ekwu maka ya karịrị otu. Ịmaatụ:

i. Ụlọ mposi ahụ bụ uchịcha uchịcha.

ii. Ahịa otu Ọnicha jupụtara na mmadụ mmadụ.

iii. Ụlọ ha bụ oke oke.

**Ndịiche dị na m̀yinààbụ́ọ̄ kempe na m̀yinààbụ́ọ̄ kenzu**

| | **M̀yinààbụ́ọ̄ kempe** | **M̀yinààbụ́ọ̄ kenzu** |
|---|---|---|
| 1. | M̀ yìnààb ụ́ọ̄ kempe bụ ndenwe ụfọdụ okwu bụ ndị a na-edegharị akụkụ okwu ụfọdụ site n'ịgbakwunye ha n'ihu ma ọ bụ n'azụ isingwaa. | M̀ yìnààb ụ́ọ̄ kenzu bụ ụzọ zuru oke nke usoro mmebeokwu site n'idenwe isingwaa ma ọ bụ n'idenwe okwu niile ugboro ugboro iji mepụta okwu ọhụrụ. |
| 2. | M̀ yìnààb ụ́ọ̄ kempe na-edegharị nganiihu ụdaume dị ka: ịka ụka, ịrụ arụ, ịsa ụsa | M̀ yìnààb ụ́ọ̄ kenzu na-edenwe ụdaume dị ka: oriri ọrụrụ, ọmụmụ, ọnwụnwụ wdg |
| 3. | A na-edegharị nganiihu mgbochiume dị ka: ịka nka, ịde nde, ịrọ nrọ. | Ọ na-edenwe okwu ndị nwere otu ụda dị ka: dumdum, gidigidi, kitikiti. |
| 4. | Na m̀ yìnààb ụ́ọ̄ kempe, e nwere ike ịgbakwụnye otu mkpụrụ mgbochiume n'ihu ụdaume; anaghị anabata mbịakọta ọnụ mgbochiume abụọ n'otu mkpụrụokwu mana | Na m̀yìnààbụ́ọ̄ kenzu, a na-ahụta mbịakọta ọnụ mgbochiume abụọ n'otu mkpụrụokwu dị ka: dumdum, ngwangwa, mkpụmkpụ |
| 5. | A na-enwe ndegharị isingwaa ma ọ bụ ụdaume na mgbochiume nam̀yìnààbụ́ọ̄ kempe mana | Na m̀ yìnààb ụ́ọ̄ kenzu, a na-enwe ndeegharị isingwa na okwu niile ugboro ugboro. |
| 6. | m̀ yìnààb ụ́ọ̄ kempe anaghị apụta ihe n'ụbara ole ihe dị | Okwu m̀yìnààbụ́ọ̄ kenzu na-adị ire n'ime ụbara bụ otu n'ime mkpọaha. Ịmaatụ: mmadụ mmadụ, ụhịcha ụchịcha, oke oke. |
| 7. | Anaghị ezipụta m̀ yìnààb ụ́ọ̄ kempe n'ime kọlọ n'ihi na o nweghị ebe edenwere otu isigwaa ma ọ bụ nsonaazụ. | m̀yìnààbụ́ọ̄ kenzu na-apụta ihe n'ime kọlọ iji zipụta mkpụrụokwu e ji akọwa aha nke bụkwa ụzọ e si akọwa otu ihe a na-ekwu maka ya si acha. Ịmaatụ: edo edo, mmee mmee, ọcha ọcha, ụlọ ụlọ. |
| 8. | Anaghị ahụta okwu m̀yìnààbụ́ọ̄ kempe n'ime mkpọaha dị ka iji kọwaa ihe. | A na-ahụta m̀ yìnààb ụ́ọ̄ kenzu n'ime mkpọaha dị ka: ezeeze, ọnwụ ọnwụ,ureure, nrinri wdg. |
| 9. | Anaghị ahụta okwu m̀yìnààbụ́ọ̄ kempe n'ime ọnụọgụgụ nke dị n'ime mkpọaha dị ka ọ dị n'ime m̀yìnààbụ́ọ̄ kenzu. | A na-ahụta m̀ yìnààb ụ́ọ̄ kenzu n'ime ọnụọgụgụ nke so n'otu n'ime mkpọaha dị ka: otuotu, abụọabụọ,atọatọ wdg. |

**Nchịkọta na Mmechi**

Edemede anyị lebara anya na m̀yìnààbụ́ọ̄. Edemede nnyocha a kaara gbado ụkwụ n'ọkpụrụkpụ ihe ndị a: ụtọasụsụ, mkpụrụasụsụ, nkejiasụsụ, mmebeokwu, mgbakwunye, m̀yinààbụ́ọ̄, m̀yinààbụ́ọ̄

mpe na nke nzu na Atụtụ ndokọ Mmebeokwu nke Jackendoff (1975) hibere ka e ji wee mee nchọcha a.

E lebara anya na nkọwa niile ndị ọkaasụsụ dị iche iche nyere, nke mere ka o doo anya na m̀yinààbụ́ọ̄ bụ usoro mmebeokwu nke otu ma ọ bụ ụfọdụ okwu na-adị ugboro ugboro ma ọ bụ na-agba nje. A gara n'ihu zipụta m̀yinààbụ́ọ̄ kempe na m̀yinààbụ́ọ̄ kenzu n'asụsụ Igbo. Ọzọ a chọpụtara ebe ọtụtụ ndokọokwu na-ewebatakarị okwu m̀yinààbụ́ọ̄ ndenwe iji wepụta ọrụ ọ na-arụ n'ụtọasụsụ Igbo. E zipụtakwara ndịiche dị n'etiti m̀yinààbụ́ọ̄ kempe na m̀yinààbụ́ọ̄ kenzu n'asụsụ Igbo.

Edemede nchọcha a gara n'ihu igosipụta na alaka m̀yinààbụ́ọ̄ gbasasịrị agbasa; ọ dịghị n'otu ebe kama a na-ahụta ha n'ime nkejiasụsụ dị ka na mkpọaha, jerọndụ na ụdị m̀yinààbụ́ọ̄ kempe na kenzu nke ụdị ya abụọ bụ kendenwe na kenzipụta, ma m̀yinààbụ́ọ̄ ke nkwuwa, m̀yinààbụ́ọ̄ kekọlọ wdg.

N'agbanyeghị na nkọwa ndị odee niile a gbadoro ụkwụ na m̀yinààbụ́ọ̄, ọ dịghị onye zipụtara kpọmkwem aha m̀yinààbụ́ọ̄ n'asụsụ Igbo kama ọ bụ n'olumba na olu Bekee ka ha kọwara ya. A chọpụtarakwara na isiokwu, ebumnobi na nchọpụta ndị odee na nchọcha nke a abụghị otu. Nchọcha a dabeere kpọmkwem n'asụsụ Igbo. Site na nchọcha a e merela, ọ dịghị nchọcha e ji asụsụ Igbo mee n'isiokwu a bụ m̀yìnààbụ́ọ̄. Ọzọ dị ka ibe ya, o nweghịkwa nke ji atụtụ nchọcha a wee rụọ ọrụ.

**Edensibịa**


Abdullahi Garba. (2015). *Reduplication in English.* Department of linguistics, University of ile ife, Nigeria.

Adeniyi, H., Daniel I.O & Iyere T.O. (2010). *English Morphology*. National Open University of Nigeria (NOUN).

Arokoyo, B.E. (2006). *A Comparative Study of Reduplication in Hausa & Standard Yoruba.* N'ALORE: *Ilorin Journal of the Humanities, 16,* 133-151. https:/bit.ly/316Ozwg.

Anagbogụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C.A. (2010). *An Introduction to Linguistics.* Awka: Amaka Dreams.

Anozie, C.C. (1999). *Lingwistics Sayensị Asụsụ*. Nsukka: Fullandu Publishing Company.

Booij, G. (2010). *Construction Morphology: Language & Linguistics Compass.* 4(7): 543-555. DOI; 10.1111/j. 1749-818x. 2010.00213.x. DBLP. Leiden University.

Booij, G. (2017). *Construction Morphology.*https://doi.org/10. 1093/acrefore/9780199384655.013 254. Oxford University Press.

Blenkiron, A.I. (2007). *"Reduplication in Rotuman".* Thesis submitted in Partial Fulfillment of the requirements for the Degree of Masters of Arts. Simon Fraser University.

Chomsky, N. (1970). *"Remarks On Nominalization".* Reprinted 1972 In Study on Semantics In Generative Grammar. The Hague Mouton.

Emenanjọ, E.N (1978). *Elements of Modern Igbo Grammar*. Ibadan: Oxford University Press.

Emenanjọ, E.N. (1991). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo maka Ule Sinio Sekondịrị*. Nkpor: Optimal Press.

Ejele, (1996*). A Complete Course in Igbo Gramma*r. Lagos: Macmillan.

Ewelukwa, U. & Okafor, C. (2018). *Nhazi Asụsụ Igbo (usoro ọhụrụ) maka Ule Siniọ Sekọndịrị na Kọleji.* Onitsha: A.C. Global Publishing Co. (Nig.)

Ezema, T. O. (2012). *Nkụzi Ụdaasụsụ Igbo*. Lagos: Unique Press.

Ezema, M. N. (2009). "Nkuzi Mọfịm Maka Ndị N.C.E Na-amụIgbo Dịka Asụsụ Nke Abụọ (L2)". *Jọnal Mmụta Igbo* Vol. 4 (1) 2009, P. 91-94.
Ezeumudo, R. A. (1985). *Nchịkọta Ọmụmụ Asụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz and Manilas Publishers.
Friday-Otun, J.O. (2021). *The Study of Reduplication & Retripliction in The Yoruba Language*. Oxford University Press.
Gasby, A. (2001). *London Dictionary of Contemporary English(3rd ed.).* London: Longman.
Ghomeshi, J., Jackendoff, R., Nicole R., & Kevin R. (2004). *Contrastive Focus Reduplication in English.* (The Salad-Salad Paper). *Natural Language & Linguistics Theory.* 22: 307-357.
Green, M.M. & Igwe, G.E. (1963). *A Descriptive Grammar of Igbo*. London: Oxford University Press.
Grohmann, K. & Andrew N. (2004). Echo reduplication: When two-local movement requires pf-distinctness. *University of Maryland Working Papers in Linguistics* 13:84-108.
Holm, M. (1988). *"Reduplication Construction". Inquiring Monographone Cambridge.* Masschsetts: MIT. Press.
Hyang-Soo Kim (2009) *"The Full to Partial Reduplication in Korean and Turkish"*. Linquistics Research. 26 (2), 121-148. Jeonju University.
Ifeka, O. (2011). *Mpanaka Asụsụ Igbo maka Amụmanụ Asụsụ Igbo maka Ule Siniọ Sekọndịrị*. Onitsha: Optimal Press.
Iheanaetu O. & Oshin M. A (2013). *Finite State Representation of Reduplication Processes in Igbo.* DOl: 10.1109/AFRCON.2013.6757772. Covenant University Ota Ogun State, Sheridan College, Australia.
Ikekeọnwụ, C., Ezikeojiakụ, P., Ụbanị, A., & Ugọjị, J. (1999). *Fọnọlọji na Grama Igbo.* Ibadan: University Press.
Kachru, (1982). *Types of Reduplication.*www.scrib.com.
Lawrence, T.L. (1982). *The New Lexicon Dictionary of the English Language.* University Press.
Lyons, J. (1968). *An Introduction to Theoretical Linguistics*. London: Cambridge University Press
Maduagwu, G. (2010). "Aspects of Nominal Derivation in Igbo". *Journal of Research & Production Volume 16. No. 1*.
Maduagwu, G. (2012). "Reduplication in TIV".Peper Multidisciplinary *Journal of Empirical Research Volume 10. No. 1*.
Mardheya A. & Taibah S. (2019) "*Types and Functions of Reduplication in Palembang*"
Matthews, P.H. (1991). *Morphology: An introduction to the theory of word Structure* Cambridge:Cambridge University Press.
Mbah, B. M (2012).Circumfixation:Interface of Morphology and Syntax in Igbo Derivational in Igbo Morphology.N'*IOSR Journal of Humanities and Social Science (JHSS). Volume 5, Issues 6*, pp 01-08.
Mbah, B. M & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ*. Enugu: University of Nigeria Press.
McCarthy, John J. & Alan S. Prince (1986). *Prosodic Morphology.* Ms., University of Massachusetts, Amherst & Branddeis University, Wattham, Mass.
McCarthy, (1995). *Extensions of Faithfulness.* Rotuman Revisited, Ms., University of Massachusetts, Amherst. Available at ROA 110.
Nadarajan, S. (2006). "*A Crosslinguistic Study of Reduplication*". University Malaysia Sarawak.
Ndịmele, O. M. (1999). *Morphology and Syntax.* Port Harcourt. Emha Printing and Publishing company.
Ngoesi, M. C. (1989). *Nchịkọta Ihe Ọmụmụ nke Asụsụ Igbo maka Ule Siniọ Sekọndịrị.*Nkpor: Optimal Press.
Nnaji, H.I. (1995). *Modern English Igbo Dictionary*. Onitsha: Gonaj Books Publishers.
Nze, A. I & Gloria Imo (2010). *Nchịkọta Akwụkwọ Maka Ule Siniọ Sekọndịrị* (Correct Step). NECO 2010 – 2013. Mis – Fav – Publishers. Main Market Motorcycle parts Nnewi.
Ofili, Chukwu & Anozie, N. (2014). *General Linguistiki Sayensi Asụsụ II,* Enugu: Computer Edge Publishers.
Ofọmata, C.E. (2004). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo nke ndị Siniọ Sekọndịrị.* Enugu: Format Publishers.
Okolo, B.A. & Ezekeojiaku, P.A. (2012). *Introduction to Language and Linguistics.* Port Harcourt: Sunray Publications.